# Aha Ótútú Kenjọ n'Igbo: Usoro Lingwistik Antụrọpọlọjii

*Nwagbo, Osita Gerald*

*University of Lagos, Lagos, Nigeria*

## Ụmịedemede

*Aha ótútú na-abụkarị ezi aha e ji egosị ihe mmadụ mepụtara, akaọrụ, ogoogo, ahụmụụwa, na ezi ihe ndị ọzọ. Ma mgbe ụfọdụ, ndị Igbo na-aza aha otutu dị njọ. Edeela ọtụtụ edemede gbasara aha onwe, aha echimechi na aha otutu kemma, mana edemede maka aha otutu kenjọ ababeghi ụbara. Nke a mere ọrụ nchọcha a ji leba anya n'ụdịrị aha otutu kenjọ dị ichiiche ndị Igbo na-aza. E mere nke a ka e wee mata ụdịrị aha kenjọ ndị Igbo na-aza, e***bụ***mnuuche ndị na-aza aha ndị a, nakwa etu ọhaobodo si elegara ndị na-aza aha ndị a anya. Tiori e jiri mee nchọcha a bụ Tiori ke ejirimara onwe. E nwetara ngwe e ji mee nchọcha a site na mgbanjụ ọnụ e mere mmadụ iri na abụọ* ***gụnyere*** *ndịokenye nwoke asatọ na ndịokenye nwaanyị anọ gbara afọ 45 ruo afọ 65. Ndị osonọọru a bụcha ndị Igbo si na Steeti Igbo dịka Imo, Anambara, Enugwu na Abịa. Achọpụtara ụdịrị aha otutu kenjọ atọ: aha gbadoro ụkwụ n'anụmanụ ọjọọ, aha gbadoro ụkwụ n'ihe mmụọ, na aha gbadoro ụkwụ n'ihe mmadụ pụrụ ime. E***bụ***mnuuche ndị na-aza aha ndị a bụ ịkụnye ndị ọzọ egwu ka a na-asọ ha aso n'obodo. Ọhaobodo anaghị ele ndị na-aza aha ndị a anya ọma; a na-ahụta ha dịka ndị na-agwọ ajọ ọgwu, ndị na-eme ókòró na ndị arụrụala. N'ihi nke a, a na-eze ha eze ma na-akwanyekwara ha ugwu n'obodo. N'agbanyeghi na aha otutu pụrụ ị dị* ***njọ*** *, ọ na-enye aka igosi ihe mmadụ bụ n'ezie.*

**Ọkpụrụkpụ okwu**: *Igbo, aha otutu, aha*

## Mkpọlite

Aha bụ ihe gbara elu n'omenala ụwa niile, tinyere Igbo; onweghi obodo ebe aha adịghị mkpa. N'agbanyeghi na ụfọdụ omenala ejichaghị aha kpọrọ ihe dịka ndị ọzọ, nke **bụ** eziokwu bụ na aha gbara elu n'omenala ụwa niile. Ihe o ji dị etu a bụ na onye ọbụla nwere aha ọ na-aza, ma onye elu ma onye ala; onweghi onye asi n'ụwa a na onye ahụ enweghi aha. Aha bụ ihe e ji mara mmadụ, na-eme ka onye ahụ pụọ iche na ndị ọzọ. Aha dịka akara maọbụ ichi a na-eg**bụ** mmadụ

ka e wee hụwa onye ahụ ama n'obodo. N'ala Igbo, aha bụ otu ihe ndị Igbo ji kpọrọ ihe. Nke a mere e ji eme nnụkwụ omenala gbasara ya. Mmemme ịgụ aha bụ omenala ndị Igbo ji agụ nnwa ọhụrụ aha n'obodo. N'ihi ugwu a na-akwanyere aha, mgbe a mụrụ nnwa ọhụrụ, a na-akpọku obodo niile oriri, ka ha bịa hụ mgbe a na-agụ nnwa ọhụrụ aha ka ha wee mara aha a na-akpọ ya ghara ịkpọ ya ihe ọzọ. Ọhaobodo na-eri, ñụọ, ma gbaakwa egwu iji soro ezinụụlọ mụrụ nnwa ñụrịa ọñụ maka iheoma mere ha. Igụ nnwa aha so na omenala izizi a na-eme iji wee nabata nnwa ọhụrụ n'obodo.

Ma, ewezụga aha e nyere nwata mgbe a mụrụ ya, mgbe onye ahụ toro **bụ**ru ntorobịa, o nwere ike iji aka ya họrọ aha a ga na-akpọ ya, nke dị iche n'aha nne na nna ya nyere ya. Nke a bụ nke a na-akpo aha otutu. O tosiri ikwu ọzọ na, aha otutu bụ aha mmadụ ji aka ya họrọ, maọbụ nke ndị enyi ya nyere ya maọbụ nke obodo nyere ya. N'agbanyeghi ma ọ bụ mmadụ ji aka ya họrọ aha otutu, maọbụ ndị enyi ya nyere ya, aha otutu na-agbakwasa ụkwụ n'ọtụtụ ihe dịka ndịa: udịri mmadụ onye bụ, ihe onye mepụtara, etu onye dị n'ile anya, nkwenye maọbụ ahụmụụwa onye, na ndị ọzọ. Udịri mmadụ onye **bụ**, dịka mmadụ i dị nwayọọ, mmadụ ịbụ onye udo maọbụ onye aghara; ihe onye mepụtara, dịka mmadụ ịbụ ogaranya, mmadụ ịbụ ọkammụta, mmadụ ịbụ ọkamgba, ndz; etu onye dị n'ile anya, dịka mmadụ ịma mma ahụ, mmadụ itopu dịmkpa, ụcha mmadụ dịka icha ọcha maọbụ iji oji mara mma; nkwenye na ahụmụụwa mmadụ dịka mmadụ ikwenye na ndịnootu, ihụnaanya, eziokwu, ndịdị, ndz. Ahaotutu na-abụkarị aha ǹkùkò e ji eto mmadụ; ọ **bụ** aha na-e**bụ** onye nwe ya isi n'ihi na ọ kara bụrụ aha onye ahụ kara nabata karia aha e nyere ya mgbe a mụrụ ya. Aha otutu **bụ** aha e ji ekele onye ahụ ekele, bụrụkwa aha e ji akpọlite ya n'ọgbakọ ụmụnna n'obodo. Ọtụ̀tụ mgbe, mgbe oge gara, ndị mmadụ na-echefu aha a gụrụ onye ahụ mgbe a mụrụ ya. Nke a pụtara na, ahaotutu na-anara mmadụ aha a gụrụ ya.

Dịka e kwuru na mgbago, aha ótútú dị ichiiche; enwere aha otutu, nwekwaa aha echimechi. O kwesiri ka e **bụ**ru n'uche na aha echimechi niile bụah

a otutu, ma ọbụghị aha otutu niile bụ aha echimechi. Iji maa atụ, mgbe mmadụ chiri ọzọ n'ala Igbo, a na-enye ya aha ọzọ; aha a bụ aha otutu a ga na-etu onye **ahụ**, ma n'ama ma n'ụzọ, ma na mkpuru ma n'ọhaobodo. Mana onye echighi echimechi ọbụla tozuru oke ihọrọ aha otutu; anaghị eme ya n'ogoogo. Ọbụladị ndị akarioghori enweghi oke uru ha bara n'obodo na-enwe aha otutu. Otu ihe gbara elu ndị Igbo ji anabata aha otutu bụ ka a ghara ị na-akpọ mmadụ aha a gụrụ ya na nwata. A na-ahụta ya dịka mkparị na nletu bụ ịkpọ okenye aha enyere ya na nwata, ọkachasị ụmụaka na ndị ntorobia ịkpọ onye ichie aha enyere ya na nwata. Yaabụ na aha otutu bụ aha e ji a kwanyere mmadụ ugwu n'ala Igbo. Ọ bụ eziokwu na n'ebe ụfọdụ n'ala Igbo, ụmụaka nwere ike ịkpọ okenye deede (nwoke) maọbụ dada (nwaanyi), maọbụ maazị, mana ụdịrị aha a ezughi Igbo ọnụ. N'ọtụtụ ebe n'Igbo, aha otutu kara gbaa elu.

Otu ihe dị oke mkpa n'etu Igbo si hụta aha mmadụ bụ inwe ezi aha; ezi aha apụtaghi naanị mmadụ ịza aha mara mma, kama ịbụ aha mara mma. Ndị Igbo kwenyere na ezi aha ka ego, nke gosịrị na, n'agbanyeghi uru ego bara, ndị Igbo hụrụ ezi aha dịka ihe dị mkpa karịa ego.

N'ịgbado ụkwụ n'ihe ekwurula ebe a, ọrụnchọcha a na-eleba anya n'ihe gbasara aha otutu n'ala Igbo, site n'itule ihe kpatara ndị Igbo ụfọdụ ji ahọrọ ụfọdụ aha otutu dị añaa nakwa etu e si elegara ha anya.

## Nnyocha Ihe E Derela

Ndị omenchọcha emeela nchọcha olenaole gbasara aha otutu n'Igbo. Madu**bụ**ike (1976) kọwara na aha otutu bụ ihe na-enye aka ịghọta echiche na akparamaagwa mmadụ. Dịka ọmụmaatụ,

aha otutu dịka *nwaagankwọ,* bụ aha e ji eme ka a mata na onye a na-etu ya bụ ọkamgba. Ubahakwe (1982) gbadoro ụkwụ n'omenala dị n'ime aha nkeonye nakwa aha otutu. Ọ kọwarị na aha nkeonye na aha otutu bụ ihe jupụtara n'omenala Igbo, yabụ, na ndị Igbo na-eji aha ndịa ezipụta omenala ha dị ichiiche. Diimejesi (2007) mere **nchọcha** gbasara aha Igbo dị ichiiche, mana ebe **nchọcha** ya gbadoro ụkwụ bụ na ndokọ aha ndịa, ya**bụ** na ntoasụsụ aha Igbo. Nworah (2007) mere nchọcha maka aha otutu, ma mee ntulerịkọta n'etiti aha otutu na aha echimechi n'Igbo. O kwupụtara na aha otutu **bụ** ihe na-arụ ọrụ n'iwelite omenala na mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ala Igbo. Ọ chọpụtara na aha otutu **bụ** ihe ọtụtụ mmadụ ji eto onwe ha karịa ogoogo ha, mọọ**bụ** ịza aha karịrị ha; ụfọdụ aha dị etu a **bụ** "ọchị agha" (onye na-edu ndị ọzọ n'agha), "ekwueme" (onye na-ekwu ma mezuo ihe o kwuru), "aka gbajiriigwe" (onye na-eji aka nkiti gbajie igwe). Ihe o ji kwuo nke a **bụ** na, onye a na-etu aha dịka "ọchị agha" a**bụ**ghi soja kama onye nkịtị na-akpa ike. N'oge ug**bu**a enweghi agha ndị nkịtị na-alụ n'ihi ọchịchị ndị bekee nabatara sooso ndị uweojii (police), ndị soja (army), ndị navi (navy), na ndị agha igwe (air force), dịka ndị agha obodo. Ọzọkwa, ọ **bụ**ghi ihe pụrụ ime na onye a na-etu akanaagbajiigwe e jirila aka ya gbajie igwe otu mgbe. O nwere ike **bụ**rụ onye siri ike ma ọ **bụ**ghịzị nke iji aka gbajie igwe. Nke a gosiri na ụfọdụ aha otutu **bụ** egbeonu e ji eto mmadụ karịa etu ọ dị n'ezie.

Dịka Nworah (2007), Oyali (2009) chọpụtara na, n'ụfọdụ ebe n'Igbo dịka Oko n'Anambra Steeti, aha otutu, nke ọ kpọrọ "afaekene" **bụ** ndị enyi na ndị ezinụụlọ na-enye ya mmadụ. Ọ chọpụtakwara na mgbadoụkwụ aha otutu ndịa **bụ** etu onye dị, ahụmiihe, nkwenye, na achụmachụ onye, ma kọwaa na ihe e ji aza aha ndịa **bụ** otuto maka i**bu**li mmụọ mmadụ elu. Ụfọdụ aha otutu ọ chọpụtara n'Oko **bụ** "agụ", "ulili", "ugo", na "asa"; aha otutu dịka "agụ" na-egosi ịgbasi ike n'atụghị ụjọ, "ulili" na-egosi mmadụ ịdị garagara, "ugo" na-egosi echichi na ugwu, ebe "asa" na-egosi mma anụahụ. Na nchọcha nke ya, Ibemesi (2011) chọpụtara na aha otutu Igbo **bụ** ihe siri ike

n'ihi ṇ ọ pụrụ ịnọchi anya aha nkeonye mọọ**bụ** aha nna mmadụ. Ihe kpatara nke a **bụ** na, aha otutu na-agba elu ruo na anaghịzị a ma aha ndị ọzọ onye ahụ na-aza. Ụfọdụ aha ọ chọpụtara **bụ** "nzọwaọnọnọ" (onye na-akụwa olilo), "anwụlụkwụa" (mgbe anwụrụ ọkụ juru ụlọ), "okosisi" (osisi kacha ibe ya mọọ**bụ** Iroko) ndz.

Nwagbo (2018) mere nchọcha maka aha otutu n'Igbo wee chọpụta aha otutu ndị gbadoro ụkwụ n'ihe ndịa: akparamaagwa, ihe mmadụ mepụtara, ọdịdị mmadụ, akaọrụ, ahụmụụwa, ahụmiihe, ihe mmụọ, okwukwe, na ịlọụwa. Ọ chọpụtakwara na aha otutu nke ụmụnwoke na-arụtụkarị aka n'ikike, mọọ**bụ** ọkpụaka, ihe mmadụ mepụtara, ahụmụụwa, ebe aha otutu nke ụmụnwaanyị na-arụtụkarị aka n'ihe dịka mma anụahụ, na akparamaagwa. Ọ chọpụtakwara na ihe e ji emebekarị aha otutu **bụ** mgbaama na egbeokwu ndị e ji eto mmadụ maka mmechapụ ihu. Aha otutu ndịa **bụ**kwa ndị ahụtara dịka njirimara ndị nwe ha na ọhaobodo kara nabata dịka aha onye ahụ n'obodo.

Ọrụ nchọcha ndịa niile **bụ**cha maka aha otutu dị mma nke e ji eto mmadụ n'obodo. Mana ewezụga aha otutu ndịa dị mma e ji eto mmadụ, e nwere otutu aha ọjọọ e ji etokwa mmadụ n'Igbo. Ọrụ nchọcha a na-agbatị nchọcha gbasara aha otutu site n'ileba anya n'aha **ọjọọ** a na-etu ndị mmadụ n'Igbo. Nke a **bụ** oghere achọpụtara na nchọcha nke ọrụnchọcha a ga-emechi.

## Tiori Mgbadoụkwụ

Tiori a jiri hazie ọrụ **nchọcha** a **bụ** Self-Categorization Theory (SCT) mọọ**bụ** Tiori nkewapu onwe nke Tajfel na Turner (1979). Tiori SCT na-akowa na mmadụ ọ**bụ**la nwere ikike imepụta ejirimara atọ: Onye Onwe, Onye Ọha na Onye Mmadụ. Onye Onwe gụnyere ihe agwa mmadụ ji pụọ iche na ndị ọzọ; Onye Ọha gụnyere agwa mmadụ na ọha nwekọrọ ọnụ; Onye Mmadụ gụnyere agwa mmadụ niile dị ndụ nwekọrọ ọnụ (Ellermers et al (2002). Tiori a na-akọwa na etu

otu onye na ndị ọzọ si enwe mmekọrịta gbadoro ụkwụ na-etu onye ahụ si were onwe ya. Onye ọ**bụ**la nwere ikike ime ihe e jiri mara ya n'agbanyeghi na ya na ọha mmadụ na-enwe mmekọrịta. E nwere usoro atọ gbara elu SCT na-ekwu maka ya: ndokụrịta ( ), mwuli onwe (self-enhancement) na ndapụ onwe (depersonalization).

Ndokụrịta pụtara mmadụ inwe ejirimara dị iche n'ejirimara ndị ọzọ n'obodo. Dịka Turner na Reynolds (2001) si kọwaa, ndọkụrịta pụtara mmekọrịta dị n'etiti njirimara a**bụ**o dị iche. Mgbe ogoogo otu njirimara gara elu, ogoogo njirimara nke ọzọ ga-adị ala. Iji maa atu, ọ **bụ**rụ na mmadụ nwee oke mmasị n'agwa o ji pụọ iche na ndị **ọzọ**, mmasị onye ahụ nwere n'ebe ihe gbasara ọhaobodo ga-adị ala. Ihe kpatara nke a **bụ** na agwa onye **ahụ** ji pụọ iche na-ewuli ejirimara nkeonwe ya.

Mwuli onwe pụtara mmadụ imechapụ onwe ya ihu n'obodo. SCT na-akọwa na ihe kpatara e ji wepụta ngalaba ọhaobodo dị ichiiche **bụ** mwuli onwe; yaa**bụ** na ndị mmadụ na-esonye na òtù **ọhaobodo** maka ịkwalite **mmụọ** onwe ha. Otu ụzọ e si akwalite mmụọ onwe **bụ** ekereuche nke gụnyere ịkpọlite agwa ndị **ahụ** ha ji ètó. Haslam (2001) kọwara na ndị mmadụ na-eme etu a iji wee kwalite ikike ha na ihe ha pụrụ ime. Dịka Tiori a si kwuo, ihe e ji eme mwuli onwe **bụ** ime ka mmadụ sonye n'**ọhaobodo** nakwa ka a mara mmadụ, tinyere na ihe e ji enwe ejirimara ọha **bụ** ikwalite mmụọ onye na mmadụ isonye n'**ọhaobodo**.

Ndapụ onwe pụtara mmadụ ihu onwe ya site n'etu ọhammadụ si **ahụ** ya; dịka SCT si kọwaa, mgbe mmadụ sonyere n'**ọhaobodo** ha, ha na-enwe ndapụ onwe; nke a apụtaghị na ha atụfuola onwe ha. Ihe ọ pụtara **bụ** na ha na-**ahụ**ta mọọ**bụ** ekwuke onwe ha n'ụzọ **ọzọ** nke metụtara **ọhaobodo** nke ha so na ya (Simon et al, 2001). Na nchịkọta, SCT na enye aka ịkọwa na ndị mmadụ na-ahọrọ ọnọdụ nke na-enyere ha aka isonye n'**ọhaobodo** tinyekwara ọnọdụ na-enyere ha aka ị**bụ** onye pụrụ iche na ndị **ọzọ**, n'otu aka **ahụ**.

## Njieme

E nwetere ngwe e ji mee **nchọcha** a site na mgbanjụọnụ e mere mmadụ asaa **bụ** ndịnsona**nchọcha**. Mmadụ asaa a gụnyere nwoke ise na nwaanyị a**bụọ**. Ihe ọnụọgụ nwoke na nwaanyị e jighi hara **bụ** na ndị nwoke kara mara omenala Igbo karịa ụmụnwaanyị, tinyere na ndị nwoke Igbo **bụ** ndị na-azakarị aha otutu karịa ụmụnwaanyị. Ụdịri mgbanjụọnụ e mere **bụ** mgbanjụọnụ ihu-na-ihu na mgbanjụọnụ igweokwu ahazighi ahazi. Ihe mere e ji họrọ mgbanjụọnụ ahazighi ahazi **bụ** maka mkpa ọ dị ịjụ ajụjụ njụkwasị n'ihi azịza ome**nchọcha** atụwaghị anya ya. E mere ndị nọ ome**nchọcha** nso mgbanjụ ihu-na-ihu, ma mee ndị nọ ome**nchọcha** oteaka mgbanjụ keigweokwu. Ndị e mere mgbanjụ keigweokwu **bụ** mmadụ a**bụọ** bi n'Aba dị n'Abịa Steeti, ebe ndị e mere mgbanjụ ihu-na-ihu **bụ** mmadụ ise bi na Legọọsị. Ha niile **bụ** ndị okenye nọ n'ọgbọ afọ iri ise ruo afọ iri isii na ụma. Ndị okenye ndịa **bụ**cha ndị Igbo si na Steeti Enugwu, Anambara na Imo. Ọ **bụ** eziokwu na ndịnsona**nchọcha** si ebe dị ichiiche n'ala Igbo, mana ngwe **nchọcha** e nwetara sitere n'otu obodo (Arọndịzuogu n'Imo Steeti) karịa ebe ndị **ọzọ**. Ihe kpatara nke a **bụ** na ọtụtụ ndị ndịnsona**nchọcha** **bụ** ndị Arọndịzuogu karịa ndị si ebe **ọzọ** n'ala Igbo.

Ajụjụ a jụrụ ndịnsona**nchọcha** a **bụ** ndị ha maara nwere aha otutu dị njọ, ihe ha chere kpatara ndị **ahụ** jiri họrọ ụdịri aha **ahụ**, nakwa etu **ọhaobodo** si elegara ndị **ahụ** anya. Ihe mere e ji nweta ngwe **nchọcha** dị etu a site n'ọnụ ndị **ọzọ** **bụ** na o siri ike inweta ndị na-aza aha otutu ndị a, tinyere na ọtụtụ n'ime ha anwụọla. N'agbanyeghi mperi a, ihe mesiri ngwe **nchọcha** a ike **bụ** na ndịnsona**nchọcha** **bụ** ndị maara ndị na-aza aha ndị a nkeọma. Nke a mere na ngwe **nchọcha** enwetara **bụ** ihe a pụrụ ịdabere wee mee ezigbo nkwepụta na nchịkọta gbasara aha otutu n'Igbo.

## Ngwe Na Ntapịa

N'ebe a, a ga-ewepụta ngwe enwetara wee tapịa ha. Ekewara ngwe ndịa ụzọ atọ: aha gbadoro ụkwụ n'anụmanụ (anụọhịa na anụufe), aha gbadoro ụkwụ n'ihe mmụọ, na aha gbadoro ụkwụ n'ihe mmadụ pụrụ ime.

## Aha gbadoro ụkwụ n'anụmanụ (anụọhịa)

Aha gbadoro ụkwụ n'**anụmanụ** gụnyere **anụmanụ** ndị Igbo na-asọ oyi, nakwa **anụmanụ** ndị nwere ike ig**bu** mmadụ site n'otu ụzọ mọọ**bụ ọzọ**. Aha ndị gbadoro ụkwụ n'anụọhịa dị ise: agwọojii,, akpịnaagbaọha, iteejisinkakwu, ozungwere, na **ọgwụ**azụ. A ga-eme nkọwa ha n'otu n'otu.

### Agwọojii

Dịka aha ya si dị, agwoojii **bụ** agwọ na-eji oji n'enweghi ebe ọ tụpanyere ọcha mọọ**bụ** ụcha **ọzọ**. Oji ya gazuru ya **ahụ** site n'isi ruo n'ọdụdụ. Ụfọdụ agwọ ndị **ọzọ** na-enwe ụcha dị ichiiche; ụfọdụ na-atụ agwa dịka eke; ụfọdụ na-acha akwụkwọ ndụ akwụkwọ ndụ, ebe ụfọdụ na-acha ajaụpa ajaụpa. Ma ihe mere agwọojii ji pụọ iche n'agwọ ndị **ọzọ** a**bụ**ghị sọọsọ n'ụcha ya; Agwọojii **bụ** ụdịrị agwọ a maara na ọ jọrọ njọ nke ukwuu; ịdị njọ ya sitere n'etu ènù ya si dị. A na-akọwa na agwọ ndị **ọzọ** tụọ mmadụ na onye **ahụ** nwere ohere izọta ndụ ya ma o mee ngwangwa nụọ ọgwụ na-eg**bụ** ènù agwọ. Mana onye agwọojii tụrụ anaghị enwe ohere ịzọta ndụ ya n'ihi ènù ya; enu agwọojii na-eg**bu** n'eg**bu**ghi oge ọ**bụ**la.

### Iteejisinkakwụ

**Anụmanụ** dị n'aha a **bụ** nkakwụ; nkakwụ **bụ** ụdịrị oke nwere ọnụ ogologo. Ihe e jiri mara nkakwụ **bụ** na ọ na-esi ajọ isi. E nwere oke na-esi isi mana isi nkakwụ enweghi atụ. Nke a mere ndị mmadụ ji kpọ nkakwụ asị nke ukwuu. Nke a mere Igbo ji nwee asịniilu nke **bụ** na nkakwu si na ihe mere o ji esi isi adịghị ya n'elu **ahụ** kama na ọ dị ya n'ime **ahụ**. Ọ **bụ** eziokwu na e ji asịniilu

a akọwa ihe omimi kpatara ihe ji mee **mọọbụ** dị, ilu a na-egosikwa na isi nkakwụ na-esi si ya n'ime **ahụ** n'ezie. N'ihi isi **ọjọọ** nkakwụ na-esi, ndị Igbo anaghị eri ya eri; ọ **bụ** anụ a na-asọ nsọ mmụọ. A na-eri oke eri mana anaghị eri nkakwụ eri n'ala Igbo. Aha **bụ** *iteejisinkakwụ* **bụ** aha e si n'ahịriokwu mepụta. Ahịrịokwu a **bụ** *ite e ji si nkakwụ*; ajụjụ wee **bụ**rụ, ọ **bụ**rụ na nkakwụ na-esi isi, olee ka ite e ji sie ya ga-adị? Ajụjụ nzaraonwe a gosiri na ite e jiri sie nkakwụ kwesiri ịtụba n'ajọ ọhịa, maka na onweghi ihe **ọzọ** a ga-eji ite **ahụ** mee.

## Akpịgbaraọha

**Anụmanụ** dị n'aha a **bụ** akpị; akpị **bụ** anụ na-egbe egbe n'ala, nke nwere ụkwụ asatọ, mkpa a**bụ**ọ, na ọdụ gbagọrọ agbagọ nke ụsọtụ ya **bụ** ihe o ji agba agba. Akpị **bụ** anụ **ọjọọ**, n'ihi na o nwere ike ịgbag**bu** mmadụ. Dịka agwọ, akpị gbaa mmadụ, ọ na-etinye onye **ahụ** enu n'ime **ahụ** nke nwere ike kpochie onye **ahụ** obi ma ọ **bụ**rụ na enyemaaka abịaghị ọsịịsọ. Akpị ọg**bụ**gba nwere ike dowe mmadụ n'ọnọdụ ọ dị ndụ ọnwụ ka mma, **ahụ**ọmajijiji, ma ọ **bụ** ọnwụ.

## Ozungwereanaebụnọọdụ

**Anụmanụ** dị n'aha a **bụ** ngwere. Ngwere **bụ** **anụmanụ** na-egbe egbe n'ala. Ha na-ebi n'ime ọhịa, ọkachasị n'elu osisi mana, ha nakwa abata n'ime ụlọ mmadụ. Nke a mere Igbo ji masị na ngwere hapụ ukwu osisi ụmụaka akpara ya aka. Ihe ha na-erikarị **bụ** **ahụ**hu, ikpuru na ụmụ ihe ndị **ọzọ** dịka ọchịcha. Nke a mere ndị Igbo ji atụ ilu si na ọ **bụ** onye kpatara nkụ **ahụ**hụ sị ngwere bịara ya oriri. Ngwere a**bụ**ghị anụ **ọjọọ** n'ihi na ọ naghị ata mmadụ. Onwebeghi onya a sịrị na ngwere tara mayafọdụ ịtag**bu** onye **ahụ**. Mana ihe dị njọ n'aha **bụ** na ọ **bụ**ghị ngwere dị ndụ kama nke nwụrụ anwụ, yaa**bụ**, ozungwere. Ozu ngwere **bụ** ihe na-asọ oyi ile anya, nke mere na a na-e**bụ** ya n'ọdụ.

## Ọgwụazụ

**Anụmanụ** dị n'aha a **bụ** azụ. Azụ **bụ** **anụmanụ** ndị bi na mmiri nke na-enwekarị nkuku (scales) na ọdụ. Azụ **bụ** anụ a na-eri eri. E ji azụ ete ofe, ma e nwekwara ike ịhụ ya n'oku wee rie. Azụ na-enye ihe bara uru n'**ahụ** mmadụ. Otu ụzọ mmadụ ji enweta purotin **bụ** site n'azụ. Mana azụ a**bụ**ghị sọọsọ uru dị ya; azụ nwere ihe mg**bu** a na-enweta na ya. Azụ na-enwe **ọgwụ** n'**ahụ** ya; nke a mere na, e g**bu**o azu, a na-agba mbọ wepụ **ọgwụ** dị na ya. Mana, onweghi ka ewepụchaa **ọgwụ** niile; nke a mere na, mgbe ụfọdụ, mmadụ na-eri nri, ma ọ kpachapụghị anya, **ọgwụ** azụ agbakoro ya n'akpịrị. **Ọgwụ** azụ ịgbakoro mmadụ **bụ** ihe jọrọ njọ nke ukwuu. Onye **ọgwụ** azụ gbakooro anaghị enweta onwe ya ruo mgbe e wepụrụ **ọgwụ** azụ **ahụ**.

Ọ **bụ** n'ihi etu ndị Igbo si hụta agwọojii, nkakwụ, akpị, ozu ngwere, na **ọgwụ**azụ ka o ji gbagwojuo anya ihe mere mmadụ ga-eji kuru ha dịka aha otutu ya. Mgbanjụ e mere gụnyere ịchọpụta ihe kpatara ndị Igbo **ụfọdụ** ji aza aha ndịa, nakwa etu ndị Igbo si elegara ndị na-aza aha ndịa anya. Achịkọtara azịza mmadụ iri e mere mgbanjụ wee nweta isi ihe **bụ** azịza ha. Ihe a chọpụtara ka ezipụtara n'okpuru ebe a.

| **S/ N** | **AHA** | **ỌNỤ ỌGỤ n (%)** | **MKPATARA** | **ỌNỤ ỌGỤ n (%)** | **NLEGARAANYA** |
|---|---|---|---|---|---|
| 1. | Agwọojii | **9 (90%)** | **"Ihe e ji etu ya agwoojii bụ etu o dị. O na-eji kpii ma dịkwa nganinga"** | **10** | **"Ndị mmadụ anaghi eze ya eze n'obodo maka aha a. Obụghi ajo mmadụ a na-aso aso"** |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 2. | Iteejisinkakwụ | **7 (70%)** | **"Onye na-aza aha a bụ oke dịbia a ma ama n'obodo. Ihe o ji aza aha a bụ maka udị oru o na-aru. Ndị dịbia na-e ji ọtụtụ ihe agwọ ọgwụ. Yabụ na aha a gosiri ụdị ọrụ ọ na-arụ"** | **10** | **"Ndị mmadụ na-eze ya eze n'obodo. A na-ele ya anya dịka mmadụ ọjọọ. Ndị anaghi atu ya egwu bụ ndị na-eku ya. Ọtụtụ ndị mmadụ na-ahụ ya dịka dịbia ọjọọ, maka na o na-agwọ ọgwụ ọjọọ"** |
| 3. | Ozungwere | **7 (70%)** | **"Anaghị etu onye a ozungwere maka na o nwụrụ anwụ mọọbụ na ọ na-asọ oyi. A na-etu ya aha a n'ihi mmọnwụ na-apụ be ya aha ya bụ ozungwere. Yaabụ, ọ bụ aha mmọnwụ mere e ji etu ya ozungwere.** | **9** | **"Ndị mmadụ na-eze ya eze n'obodo. Mana ihe e ji eze ya abụghị na ọ bụ onye ọjọọ, kama na ọ na-eme ihe mmụọ"** |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 4. | Akpịgbaraọha | **8 (80%)** | **"Ihe mere e ji etu onye a aha a bụ maka ụdịri onye ọ bụ. Ọ bụ onye okwu na uka. Ọ na-adọ oke ndụdọ n'obodo"** | **9** | **"Ndị mmadụ na-ahụ ya dịka ekperima. Ọ bụ onye a na-eze eze. Onweghi onye na-achọ ka ya na ya mekọọ ihe"** |
| 5. | **Ọgwụ**azụ | **10 (100%)** | **"Ihe mere e ji etu nwoke a aha a bụ na ọ na-enye nsogbu. O pere mpe mmadụ mana ọnaghị ekwe ekwe"** | **10** | **Ndị mmadụ anaghị eze ya eze n'obodo, mana a na-ahụ ya dịka onye na-esi ọnwụ. Anaghị ekwu nke ya ekwu"** |

(Nchọpụta ome**nchọcha**, 2021)

N**chọpụta** a gosiri na e nwere mkpatara dị ichiiche e ji etu ndị mmadụ aha **ọjọọ** ndị a, nwekwaa etu dị ichiiche ndị mmadụ si elegara ndị na-aza aha ndịa anya n'obodo. N'aha 1, ihe mere e ji etu mmadụ *agwọojii* etu onye **ahụ** dị; o dị oji ma dịkwa nganịnga. Mana, n'agbanyeghi aha **ọjọọ** a, anaghị **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ** n'obodo. N'aha 2, ihe kpatara e ji etu mmadụ *iteejisinkakwu* **bụ** ụdịrị ọrụ ọ na-arụ; ọ **bụ** oke dịbia. N'ihi aha **ọjọọ** a ọ na-aza, **ahụ**tara ya dịka mmadụ **ọjọọ** nke mere e ji asọ ya asọ n'obodo. N'aha 3, ihe e ji etu mmadụ *ozungwere* **bụ** aha mmọnwụ; n'ihi aha **ọjọọ** a, a na-**ahụ** ya dịka onye na-eme ihe mmụọ, wee na-asọ ya asọ. N'aha 4, ihe mere e ji etu mmadụ *akpịgbaraọha* **bụ** agwa ya; n'ihi aha **ọjọọ** a, a **ahụ**rụ ya dịka mmadụ **ọjọọ**,

wee na-eze ya eze. N'aha 5, ihe kpatara e ji etu mmadụ ***ọgwụazụ*** **bụ** agwa; n'agbanyeghị aha **ọjọọ** a, anaghị **ahụ** ya dịka mmadụ **ọjọọ**, tinyere na anaghị eze ya eze n'obodo.

## Aha gbadoro ụkwụ n'anụmanụ (anụufe)

Aha ndị gbadoro ụkwụ n'an ufe dị anọ: ikwiikwii, udene, odudu, na obereọtaa. A ga-eme nkọwa ha n'otu n'otu.

### Ikwiikwii

Ikwiikwi **bụ** anụ ufe nke na-efe n'abalị, na-anọrọ onwe ya; o nwere abadaba isi ma nwekwaa okpokoro anya a**bụ**ọ n'ihu ya nke mere ka ọ jọọ njọ dị egwu. Njọ ya mere ndị Igbo ji asị na "ikwiikwii sị na isi nnwa ya na-atụ ya egwu, ma ọ **bụ** ya mụrụ ya. E ji okwu a akpọwa na ikwiikwii n'onwe ya maara na ya jọrọ oke njọ. Ndị Igbo hụtara ikwiikwii dịka anụ **ọjọọ** n'ihi nkwenye na ikwiikwii **bụ** mgbaama ọnwụ. Ndị Igbo kwenyere na ikwiikwii kuo na mmadụ ga anwụrịrị n'obodo. Nke a mere na, ikwiikwii so n'anụufe ndị Igbo na-asọ nsọ mmụọ.

### Udene

Udele **bụ** anụufe nke na-eri ihe nwụrụ anwụ; ha na-asọ oyi n'anya maka na ha na-akụnwụ **ahụ** akụnwụ n'ọdịdị ha. Ihe mere ndị Igbo ji aso udele asọ **bụ** na, ọ na-eri ihe nwụrụ anwụ; ọ naghị eri ihe dị ndụ. Ihe **ọzọ** mere ndị Igbo ji asọ udele nsọ **bụ** nkwenye na udele **bụ** anụ mmụọ maka na udele na-eri aja achụụrụ ndị **mmụọ**. Nkea mere ndị Igbo ji tụọ ilu sị na "achụọ aja ma **ahụ**ghị udele mara na ihe mere na be ndị **mmụọ**" nke gosiri na udele na-eri aja. Ndị Igbo kwenyekwara na udele **bụ** anụufe na-egosi ọnwụ.

### Odudu

Odudu **bụ** obere anụufe nke na-ata anụọhịa **mọọbụ** anụụlọ dịka ehi, ewu, ịnyịnya, ndz. Ihe gbara elu e jiri mara odudu **bụ** na ọ tagide anụọhịa, ọ naghị esepu ọnụ ruo ma ọ mịchara oke ọbara

ọ chọrọ. Nke a mere ndị Igbo ji ekwu na "odudu beere n'amụ, iwepu ya nsog**bu**, ịhapụ ya nsog**bu**. Igbo hụtara odudu dịka anụufe **ọjọọ**.

## Obereọtaa

Obereọtaa **bụ anụufe** nke nri ya **bụ** ọbara anụọhịa na mmadụ. Ọ **bụ anụufe** na-e**bu**nye onye ọ tara ọrịa dị ichiiche, ọkachasị ọrịa ụra ebiebi. Onye obereọtaa tara na-enwe **ahụ**ọkụ, isiọwụwa, **ahụ**mgbakasị, oke ike**ọgwụ**gwụ na mg**bu** akwara. Ndị Igbo hụrụ obereọtaa dịka **anụufe ọjọọ** n'ihi na nri ya **bụ** ọbara mmadụ, nke **bụ** ndụ mmadụ.

Ọ **bụ** n'ihi etu ndị Igbo si hụta agwọojii, nkakwu, akpị, ozu ngwere, na **ogwu**azụ ka o ji gbagwojuo anya ihe mere mmadụ ga-eji kuru ha dịka aha otutu ya. Mgbanjụ e mere **gụnyere** i**chọpụta** ihe kpatara ndị Igbo **ụfọdụ** ji aza aha ndịa, nakwa etu ndị Igbo si elegara ndị na-aza aha ndịa anya. Achịkọtara azịza mmadụ iri e mere mgbanjụ wee nweta isi ihe **bụ** azịza ha. Ihe a **chọpụta**ra ka ezipụtara n'okpuru ebe a.

| S/N | AHA | ỌNỤ OGỤ (%) | MKPATARA | ONU OGU (%) | NLEGARAANYA |
|---|---|---|---|---|---|
| 6. | Ikwiikwii | **100%** | **"Ihe eji etu onye a ikwiikwii bụ etu o dị n'anya. Ọ jọrọ njọ mmadụ.** | **100%** | **"Anaghị ele ya anya dịka onye ọjọọ, nagbanyeghi na ọ jọrọ njọ ihu. Ọ bụ onye na-ama oke njakịrị nke mere ndị mmadụ ji nwee mmasị ebe ọ nọ"** |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 7. | Udene | **90%** | **"Ihe mere e ji etu nwoke a udene bụ etu o si eme ihe. Ọ jụrụ oyi, na-eje ije ganwu-ganwu dịka udele. Ihe ya niile bụ nwayọọ nwayọọ"** | **90%** | **"Ndị mmadụ hụtara ya dịka onye na-eme ihe ọgwụ. A na-eze ya eze n'obodo"** |
| 8. | Odudu | **80%** | **"Ihe kpatara e ji etu onye a odudu bụ na ọ na-enye nsogbụ mana o bara uru n'obodo. Nsogbụ daputa n'obodo, o na-eweputa onwe ya, mana o na-acho okwu"** | **100%** | **"Anaghi ahụ ya dịka onye ọjọọ maka na ọ nwere uru ọ bara. Ọbụghị onye a na-eze eze n'obodo"** |
| 9. | Obereọtaa | **100%** | **"A na-etu onye a obereọtaa n'ihi mmọnwụ na-apu be ya. Mmọnwụ ya na-apịa oke ụtalị. Ọ** | **90%** | **"Anaghị ahụ ya dịka mmadụ ọjọọ n'obodo. Anaghị eze ya ndụ n'obodo.** |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| | | | **hụ mmadụ, obido pịawa ihe n'egbụghi oge"** | | |

N**chọpụta** a gosiri na e nwere mkpatara dị ichiiche e ji etu ndị mmadụ aha **ọjọọ** ndị a, nwekwaa etu dị ichiiche ndị mmadụ si elegara ndị na-aza aha ndịa anya n'obodo. N'aha 6, ihe mere e ji etu mmadụ *ikwiikwii* **bụ** odịdị ya; ọ **jọrọ njọ** ile anya. N'agbanyeghi aha **ọjọọ** a, anaghị **ahụ** ya dịka mmadụ **ọjọọ**; anakwaghị eze ya eze n'obodo. N'aha 7, ihe kpatara e ji etu mmadụ *Udene* **bụ** etu o si eme ihe; Niihi nke a, a na-**ahụ** ya dịka mmadụ **ọjọọ**, wee na-eze ya eze. N'aha 8, ihe e ji etu mmadụ *odudu* **bụ** maka akparamaagwa ya; n'agbanyeghi aha **ọjọọ** ya, anaghị asọ ya asọ n'ihi uru ọ bara n'obodo. N'aha 9, ihe mere e ji etu mmadụ *obereọtaa* **bụ** mmọnwụ; N'agbanyeghị aha **ọjọọ** a, anaghị **ahụ**ta ya dịka mmadụ **ọjọọ**.

## Aha Gbadoro Ụkwụ N'ihe Mmụọ

Aha ndị gbadoro ụkwụ n'ihe **mmụọ** dị isii: arụsị, ajọagụ, abọagwụ, ọgbanje, ọkụ**mmụọ**, na mmirịnsị. A ga-eme nkọwa ha n'otu n'otu.

Arụsị

Arụsị **bụ** chi a tụtụrụ atụ, a na-efe efe. A na-achụrụ arụsị aja site n'iji ihe dịka ọkụkọ, ewu, na ihe ndị **ọzọ**. Na mgbe ochie, onweghi obodo Igbo enweghi arusi ha na-efe. Ndị Igbo nwere oke nsọpụrụ maka arụsị ha; nke a mere ha ji achụrụ ya aja dị ichiiche ka o wee na-eche ha, gbochie ụnwụ na ihe mbibi dị ichiiche n'obodo.

## Ajọagụ

Na mgbe ochie, ajọagụ **bụ** oke ọhịa ebe a na-atufu ihe rụrụ arụ. Ọ **bụ** n'ajọ ọhịa ka a na-atufu ndị nwuru site n'oria dịka afootuto na ekpenta. Ndị **ọzọ** a na-atufu n'ajọ ọhịa **bụ** ndị kwuru ụdọ nakwa ụmụ ejima. Ndị Igbo kwenyere na ọ **bụ**rụ na elie ndịa n'ala, na ọ ga-eme ka ụdịri ọrịa ndị **ahụ** bawanye n'obodo. Obodo Igbo ọ**bụ**la nwere ajọ ọhịa ebe a na-atufu ndị dị etu a.

## Abọagwụ

Agwụ **bụ** **mmụọ** na-achị mmadụ; o**bụ**ghị ezigbo **mmụọ** n'ihi na ọ na-eme ka onye ọ na-achị na-akpa agwa n'ụzọ gbagwojuru anya. Onye agwụ na-akwa na-eme omume edoghi anya. Ọ nwere ike tikapụ ọsọ mgbe onweghi onye na-achụ ya. O nwere ike bido na-ekwu okwu mgbe onweghi onye ya na ya na-akparịta ụka. O nwere ike kwụsị ọrụ ọ na-arụ n'enweghi ihe kpatara ya.

## Ọgbanje

Ogbanje **bụ** onye bịara uwa a na-atụ anya na ọ ga-anwụ bịaghachi **ọzọ**. Ọ nwụọ, ọ bịaghachi, nwụkwa, na-ata nne ya **ahụ**hụ. Ọgbanje a**bụ**ghị ezigbo ihe n'ihi na ha na-e**bu**te oke nsog**bu** n'ezinụụlọ ha batara. Ha na-arịa ọrịa mgbe ọ**bụ**la, mee ka ezinụụlọ na-atufu ego ịgwọ ha. Ma mgbe e mechara, ha a nwụọ.

## Ọkụmmụọ

N'okpukperechi ndị ụka Kraịstị, ọkụ**mmụọ** **bụ** ebe ndị mere ihe **ọjọọ** na-aga ma ha nwụọ. Ndị mere ihe ọma na-aga eligwe ma ndị mere ihe **ọjọọ** na-aga ọkụ**mmụọ**. Ọkụ**mmụọ** **bụ** ebe a na-ata ndị **njọ** **ahụ**hụ maka ndụ **ọjọọ** ha biri n'ụwa. Ndị ụka Kraịstị kwenyere na ọkụ**mmụọ** **bụ** ebe ntarama**ahụ**hụ ebeebe ebeebe.

## Mmirinsị

Dịka aha ya si dị, mmiri nsị **bụ** mmiri na-eso nsị, mgbe mmadụ na-anyụ nsị n'ogwe. Mmiri nsị, dịka nsị, na-esi isi **ọjọọ**. Ọ **bụ**rụ na e kpoo nsi ma ehichaghi mmiri ya, ebe **ahụ** ka ga na-esi isi. **Ụfọdụ** ndị Igbo kwenyere na ǹsị **bụ** mgbaama **ọgwụ** maọ**bụ** ńsi.

Ọ **bụ** n'ihi etu ndị Igbo si hụta arụsị, ajọagụ, agwụ, ọgbanje, ọkụ**mmụọ** na mmirinsị ka o ji gbagwojuo anya ihe mere mmadụ ga-eji kuru ha dịka aha otutu ya. Mgbanjụ e mere **gụnyere** i**chọpụta** ihe kpatara ndị Igbo **ụfọdụ** ji aza aha ndịa, nakwa etu ndị Igbo si elegara ndị na-aza aha ndị a anya. A chịkọtara azịza mmadụ iri e mere mgbanjụ wee nweta isi ihe **bụ** azịza ha. Ihe a **chọpụta**ra ka ezipụtara n'ọkpụrụ ebe a.

| S/N | AHA | ỌNỤ ỌGỤ (%) | MKPATARA | ỌNỤ ỌGỤ (%) | NLEGARAANYA |
|---|---|---|---|---|---|
| 10. | Arụsị | **90%** | **"A na-etu ya arụsị maka na ọ hụọrọ ya dịka aha otutu. Onweghi ihe ọzọ"** | **90%** | **"A na-ahụ ya dịka onye aghịrịịgha n'obodo. Anaghị eze ya ndụ maka na ọbụghị mmadụ ọjọọ"** |
| 11. | Ajọagụ | **80%** | **"Onye na-aza aha a bụ oke dịbia. Ya onwe ya họọrọ aha a n'ihi ụdị ọrụ ọ na-arụ"** | **100%** | **"A na-eze ya eze n'obodo n'ihi aha a, mana ọbụghị mmadụ ọjọọ. Ọ bụghị dịbia na-agwo ọgwụ ọjọọ"** |
| 12. | Abọagwụ | **100%** | **"Onye na-aza aha a bụ oke dịbia na-ewi ewi. Ihe o ji họrọ aha a bụ na ihe e ji** | **100%** | **"A na-eze ya eze n'obodo n'ihi na ọ bụ oke dịbia, mana ọbụghị mmadụ ọjọọ"** |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| | | | **mara ya bụ ịrụ agwụ"** | | |
| 13. | Ọgbanje | **80%** | **"A na-etu nwoke a ọgbanje n'ihi etu o dị. O gbara dimkpa, na-acha ka ụgbana, maa mma dị egwu. Ya mere ndị obodo ji chee na ọ bụ ọgbanje, wee na-etu ya ọgbanje"** | **90%** | **"Anaghi eze ya eze n'obodo, maka na obụghi onye ọjọọ"** |
| 14. | Ọkụmmụọ | **100%** | **"Onye a na-etu ọkụmmụọ bụ aha ọ hụọrọ ka etuo ya. Ọ bụ onye oke okwu bụrụkwa onye aghịrịịgha"** | **90%** | **"Anaghị ahụ ya dịka mmadụ ọjọọ n'obodo. Ọ bụ ezigbo mmadụ"** |
| 15. | Mmirinsị | **90%** | **"A na-etu onye a mmirinsị n'ihi na ọ na-eme ihe mmụọ, na-agwọ oke ọgwụ"** | **80%** | **"Anaghị ahụ ya dịka mmadụ ọjọọ, mana a na-eze ya eze n'ihi aha ya nakwa ihe mmụọ ọ na-eme"** |

N**chọpụta** a gosiri na e nwere mkpatara dị ichiiche e ji etu ndị mmadụ aha **ọjọọ** ndị a, nwekwaa etu dị ichiiche ndị mmadụ si elegara ndị na-aza aha ndịa anya n'obodo. N'aha 10, ihe mere e ji etu mmadụ *arụsị* **bụ** etu onye **ahụ** siri chọọ maọ**bụ** họrọ; ma n'agbanyeghi aha **ọjọọ** a, **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ** tinyere na anaghị eze ya eze n'obodo. N'aha 11, ihe kpatara e ji etu mmadụ *ajọagụ* **bụ** ụdịrị ọrụ ya nke **bụ** dịbia; N'ihi aha **ọjọọ** a, **ahụ**tara ya dịka onye na-eme ihe **mmụọ** wee na-asọ ya asọ; mana **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ**. N'aha 12, ihe e ji etu mmadụ *abọagwụ* **bụ** ọrụ dịbia ya nke metụtara ịrụ agwụ; nke a mere e ji asọ ya asọ n'obodo n'agbanyeghi na ọ **bụ**ghi mmadụ **ọjọọ**. N'aha 13, ihe mere e ji etu mmadụ *ọgbanje* **bụ** etu onye **ahụ** dị; ọ mara mma dị ọcha n'ụdị pụrụ iche. N'agbanyeghị aha **ọjọọ** a, anaghị eze ya eze n'obodo maka na **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ**. N'aha 14, ihe kpatara e ji etu mmadụ *ọkụ**mmụọ*** **bụ** nhọrọ ọzaa; n'agbanyeghi aha **ọjọọ** a, **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ** n'obodo. N'aha 15, ihe mere e ji etu mmadụ mmirinsị **bụ** maka ihe **mmụọ** ọzaa na-eme; N'ihi aha **ọjọọ** a ọ na-aza, a na-eze ya eze n'obodo, nagbanyeghi na **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ**.

## Aha Gbadoroụkwụ N'ihe Mmadụ Pụrụ Ime

Ndị a **bụ** aha na-egosi ikike mmadụ **mọọbụ** ihe mmadụ pụrụ ime. Aha ndị gbadoro ụkwụ n'ihe mmadụ pụrụ ime dị atọ: ọbataosu, ojenga na oseaka. A ga-eme nkọwa ha n'otu n'otu.

Ọbataosu

Obataosu **bụ** onye okwunaụka; anaghị enwe udo ebe ọ nọ. Mgbe ọ **bụ**la ọ batara ihe agbanwee. Ọ **bụ** onye akalioghori.

Ojenga

Dịka aha ya si dị, ojenga bụ onye na-ejekari ụlọmkpọrọ; nke a pụtara na ọ bụ onye omekoome. Mgbe ụfọdụ onye na-eje nga bụ onye na-eme mpụ dịka izuohi, igwu mmadụ chandum, ịkwaikoniike, ịgbụ mmadụ maọbụ ilu ọgụ. Yaabụ, ojenga bụ onye a maara na-emeta ihe e ji atụ ya nga mgbe ncha.

## Oseaka

Oseaka **bụ** onye na-eme ihe ike n'ihi **mmụọ** na-achi ya; **mmụọ** dị etu a a**bụ**ghị ezigbo **mmụọ** maka na ọ na-eme ka onye ọ na-achị na-eme imekiri na-emebi ihe n'obodo. Mgbe **ụfọdụ**, **mmụọ** a na-akpali ha ilu ọgụ meruo mmadụ **ahụ**, ịma aja, ịsụ ọhịa ọkụ, na ndị **ọzọ**.

Ọ **bụ** n'ihi etu ndị Igbo si hụta ojenga, ọbataosu, na oseaka ka o ji gbagwojuo anya ihe mere mmadụ ga-eji kuru ha dịka aha otutu ya. Mgbanju e mere **gụnyere** i**chọpụta** ihe kpatara ndị Igbo **ụfọdụ** ji aza aha ndịa, nakwa etu ndị Igbo si elegara ndị na-aza aha ndịa anya. Achịkọtara azịza mmadụ iri e mere mgbanjụ wee nweta isi ihe **bụ** azịza ha. Ihe a **chọpụta**ra ka ezipụtara n'okpuru ebe a.

| S/N | AHA | ỌNỤ ỌGỤ (%) | MKPATARA | ỌNỤ ỌGỤ (%) | NLEGARAANYA |
|---|---|---|---|---|---|
| 16. | Ọbataosu | **90%** | **"Ihe kpatara e ji etu ya ọbataosu bụ na, ọ na-enye nsogbụ, na-alụkarị ọgụ n'obodo.** | **90%** | **"A na-eze ya eze n'obodo. Ndị mmadụ anaghị achọ iso ya mekọọ ihe maka nsogbu"** |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| | | | **Onweghi ebe ọ nọ udo na-adị"** | | |
| 17. | Ojenga | **80%** | **"A na-etu ya ojenga maka na o nwere mgbe o jere ụlọmkpọrọ maka ịzụ ohi. Ọ bụghị na ọ na-eje nga mgbe niile"** | **90%** | **"Anaghị eze ya eze n'obodo. Ọ bụ eziokwu na ọ zuru ohi, a tụọ ya nga, anaghị ahụ ya dịka onye ọjọọ. Anaghị eze ya eze"** |
| 18. | Oseaka | **90%** | **"Ihe e ji etu ya Oseaka bụ na, ọ na-eme ihe ike, mefee ya oke. Mgbe ọ fọọrọ ya n'anya, ọ tawa onwe ya ụta maka ihe o mere"** | **90%** | **"Oseaka bụ mmadụ obodo hụrụ n'anya. N'agbanyeghi na ọ na-emefe ihe oke, anaghị ahụ ya dịka onye ọjọọ"** |

N**chọpụta** a gosiri na e nwere mkpatara dị ichiiche e ji etu ndị mmadụ aha **ọjọọ** ndị a, nwekwaa etu dị ichiiche ndị mmadụ si elegara ndị na-aza aha ndịa anya n'obodo. N'aha 16, ihe mere e ji etu mmadụ *ọbataosu* **bụ** agwa ọzaa; ọ **bụ** ọchọnganooko. N'ihi aha **ọjọọ** a, **ahụ**tara ya dịka onye nsog**bụ**, wee na-asọ ya asọ n'obodo. N'aha 17, ihe kpatara e ji etu mmadụ *ojenga* **bụ** ihe o metara na mgbe gara aga; N'agbanyeghi aha **ọjọọ** a, anaghị asọ ya asọ n'obodo. N'aha 18,

ihe e ji etu mmadụ *oseaka* **bụ** akparamaagwa; ọ na-emefe ikiri oke. Ma n'agbanyeghị aha **ọjọọ** a, **ahụ**taghị ya dịka mmadụ **ọjọọ**; anaghịkwa eze ya eze n'obodo.

## Mkparịtaụka

Ntapịa **nchọcha** a egosila ụzọ ihe anọ kpatara ndị mmadụ ji aza aha otutu dị **njọ** nanti; ha **bụ** odịdị, ọrụaka, nhọrọ na akparamaagwa. **Ụfọdụ** aha otutu a kọwarị n'ọrụ a gbadoro ụkwụ n'etu ọzaa dị. Aha ọtụtụ dịka *agwọojii, ọgbanje* na *ikwiikwii* **bụ** aha ndị mmadụ nyere ọzaa n'ihi etu ha dị n'ile anya. Tiori SCT kọwarị na mgbe mmadụ na ndị **ọzọ** na-enwe mmekọrịta n'obodo, ndị **ọzọ** na-**ahụ**ta ya n'agbanyeghi etu onye **ahụ** si hụta onwe ya. Nke a mere **ọhaobodo** nwere ike inye mmadụ aha nke ha chere dabara n'etu onye **ahụ** dị. Onye **ahụ** nwere ike nabata aha **ahụ** mọọ**bụ** jụ ya; ọ nabata ya, ọ pụtara na onye **ahụ** nwere ndapụ onwe nke **gụnyere** mmadụ ịhụ onwe ya site n'etu **ọhaobodo** si hụ ya; dịka SCT si kọwaa, mgbe mmadụ sonyere n'**ọhaobodo**, ha na-enwe ndapụ onwe.

**Ụfọdụ** aha otutu gbadoro ụkwụ n'ọrụaka dịka *iteejisinkakwụ, ajoagụ, aboagwụ*, **bụ**cha aha metụtara akaọrụ ndịa. Aha ndị a tosiri, ma kwalite ọrụaka ndịa nkeọma. Dịka tiori SCT si kọwaa, mmadụ nwere ike kùrù ejirimara pụwagara iche na nke ndị **ọzọ** maka iji gosi onwe ya maọ**bụ** gosi ihe ọ na-eme. Ọ **bụ** eziokwu na aha ndị a dị **njọ**, ọ **bụ** ụzọ ọzaa ndị a ji mee ka ha pụọ iche n'ebe mmadụ nkịtị ndị **ọzọ** dị. N'ihi na ha hụrụ onwe ya dịka ndị pụrụ iche, ha mere ka ọpụta ihe n'aha a na-etu ha ka ndị mmadụ wee tuo ha egwu dịka ndị na-eme ihe **mmụọ**. Site n'ime nke a, ha na-akwalite ọrụaka ha, nke **bụ** dịbia. Etu a ka ọ dịkwa n'aha ndị gbadoroụkwụ na nhọrọ dịka arụsị na ọkụ**mmụọ**; e**bu**mnoobi ndị ọzaa ndịa **bụ** imechapụ onwe ha ihu maọ**bụ** iwuli onwe ha dịka SCT siri kọwaa. Ihe ha ji eme nke a **bụ** ka a mara ha a mara n'obodo. Onye a na-etu arụsị a**bụ**ghị onye a na-efe efe maọ**bụ** onye a na-atụ egwu, tinyere onye a na-etu ọkụ**mmụọ**. Ndịa **bụ** ndị chọrọ ka ha pụta ihe n'**ọhaobodo**, wee site etu a kwalite **mmụọ** ha.

Aha otutu ndị **ọzọ** gbadoro ụkwụ n'akparamaagwa dịka *ọbataosu, ojenga, oseaka, udene, akpị,* ***ogwu****azụ,* **bụ**cha aha **ọhaobodo** nyere ndị ọzaa iji gosi etu ha si hụta mmadụ ndịa. Dịka tiori SCT si kọwaa, onye ọ**bụ**la sonyere n'**ọhaobodo** nwere ihe e jiri mara ya. Ha dị ụzọ atọ ndị **bụ** Onye onwe, onye Onye Onwe, Onye Ọha na Onye Mmadụ. Onye Onwe **gụnyere** ihe agwa mmadụ ji pụọ iche n'agwa ndị **ọzọ**. Akparamaagwa , nke mere e ji nye ha aha otutu ndị a, **bụ** ihe mere ha ji pụọ iche na ndị **ọzọ** n'obodo. Na aha ndịa dị **njọ bụ** ihe gosiri n'ezie na ndị a zara aha ndị a chọrọ ịpụ iche n'obodo.

Ihe pụtara na **nchọcha** a gosiri na, etu e si elegara ndị zara aha otutu ke**njọ** anya dị ụzọ **bu**o. Nke m**bụ**, **ụfọdụ** aha otutu ke**njọ** dabara n'etu ọzaa dị nke mere e ji elegara ha anya dịka ndị **ọjọọ**, wee na-eze ha eze n'obodo. Ndị nọ n'òtù a na-e ji aha dị etu a anya isi maka na o mere ka ha pụọ iche na ndị **ọzọ**. Ọ **bụ** eziokwu na, aha ndị a dị **njọ**, mana o nyere ndị zara ha mwuli onwe, dịka SCT si kọwaa. O kwesiri ka akowaa na, mwuli onwe dị uzo a**bụ**o: mwuli onwe kemma na mwuli onwe ke**njọ** . Mwuli onwe kemma **bụ** mmechapu ihu mmadụ na-enwe site n'iza aha dị mma, nke e jiri mara ya. Nke a **bụ** ihe a huru site n'oru **nchọcha** e merela na m**bụ** dịka nke Nworah (2007), Oyali (2009), Ibemesi, (2011) ebe egosiri aha otutu dịm ma e ji eto mmadụ. **Nchọcha** nke a dịwagara iche na nke ndịa, niihi na aha otutu e gosiri ebe a **bụ** maka mwuli elu ke**njọ** .

Nke a**bụ**o, n'agbanyeghi aha otutu ke**njọ ụfọdụ** zara, aha ndị a egosighi udịri mmadụ ha **bụ** maka na **ahụ**taghi ha dịka mmadụ **ọjọọ**. Nke a gosiri na, na mmadụ na-aza aha dị **njọ** , mao**bụ** na, a na-etu mmadụ aha dị **njọ** aputaghi na onye **ahụ bụ** onye **ọjọọ**. Ihe nke a putara **bụ** na **ụfọdụ** ndị Igbo na-aza aha dị **njọ** ka e wee zee ha eze, mao**bụ** sopuru ha n'obodo. Aha otutu ke**njọ** ndịa emeghi ka **ọhaobodo** huta ha dịka ndị **ọjọọ**; e nwere nghota zuru oha na ha zara aha ndị a maka ime ka ha puo iche.

## Nchikota

Ọ **bụ** eziokwu na ndị Igbo kwenyere na aha onye na-edu ya, ma mgbe **ụfọdụ**, Igbo na-aza aha iji kwalite ihe ha na-eme, maọ**bụ** iji wulie **mmụọ** ha. Nke a **bụ** ihe mere aha dị **njọ** ji gbaa elu n'aha otutu. Aha niile e nyere mmadụ mgbe a mụrụ ya **bụ**cha aha dị mma, nke na-egosi ihe dị ichiiche dịka ụbọchị a mụrụ nnwa, etu nnwa dị, ihe gbara ọmụmụ g**bụ**rụg**bụ**rụ, nkwenye nna nnwa, na ndị **ọzọ**. Ma mgbe mmadụ topụtara dịmkpa, ọ na-eji ekereuche ya họrọ aha tosiri ya, maọ**bụ** ndị enyi ya enye ya aha kara daba na ndụ ya. Otu ihe gbara elu na **nchọcha** a **bụ** na, aha otutu ke**njọ** ndị a **bụ** ihe anabatachara n'obodo. Ihe e ji nabata ha **bụ** na, ndị Igbo kwenyere na ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza. Nke a pụtara na, onye ọ**bụ**la nwere ikike ịhọrọ aha ọ**bụ**la zawa ya n'agbanyeghi maọ**bụ** aha ọma maọ**bụ** aha **ọjọọ**.

## Edensibịa


Dịmejesi, S. I. (2007). *Onomastics in Igbo Language: a syntactic and semantic approach*. M.A Dịssertation, University of Ibadan.

Ellemers, N, Spears, R, & Doosje, B. (2002). Self and social identity. *Annual Review of Psychology*, 53 (1), 161-186

Haslam, S.A. (2001). *Psychology in Organization: the Social Identity approach*.London: Sage.

Ibemesi, F. H. (2011). "Origin of Igbo Surnames, Past and Present".*International Journal of Theology and Reformed Tradịtion, vol 3 (1) 1-14.*

Madu**bụ**ike, I. (1976*). A Handbook of African Names*. Washington DC: Three Continents Press.

Nwagbo, O.G. (2018). Nicknames among the Igbo: an Ethnolinguistic Approach. In Nwaozuzu, G.I, Okpoko, P.U, Mba, B.M, Ahamefula, N.O, (EDs). *Igbo Institutions and Leadership, 126-140. Centre for Igbo Studịes, University of Nigeria*, Nsukka.

Nworah, U. (2007). NkeOnyeChiriYaZaa (On Igbo Titles) http//:thelonghaemattanseason.blogspot/www.nigeriannewspaper.com/Igboland…

Oyali, U. (2009). "How Do I Address You? Forms of Address in Oko*." International Journal of Sociology and Anthropology, vol. 1 (5), 106-111*

Simon, B, Auderheide, B. & Kampmeier, C. (2001). The social psychology of minority-majority relations. In R. Brown & S.L. Gaertner (Eds.), *Blackwell handbook of social psychology: Intergroup processes* (pp. 303-323). Oxford, UK: Blackwell.

Tajfel, H. & Turner, J.C. (1979). An integrative theory of intergroup conflict. In W,G. Austn & S. Worchel (Eds.) *The Psychology of Intergroup relations* (pp. 7-24). Chicago, 11: Nelson Hall.

Turner, J.C. & Reynolds, K.J. (2001). The social identity prespective in intergroup relations: Theories, themes and controversies. In R. Brown & S. Gaertner (Eds.), *Blackwell handbook of social psychology: Intergroup processes* (pp, 133-152). Malden, MA: Blackwell.

Ubahakwe, C. (1982). *Culture Content of Igbo Names: Igbo Language and Culture*. Ibadan: University Press.